# IGBO

## UDAOLU IGBO

Asusu Igbo bu asusu udaolu. O buru na-amaghi udaolu mkpuruokwu nwere, a gaghi amata akara udaolu mkpuruokwu ahu nwere.

### Oru udaolu na-aru n'asusu Igbo

Oru udaolu na-aru n'asusu Igbo bu igosi ihe mkpuruokwu putara.

Imaatu mkpuruokwu na ihe ha putara;

a. **Oke:**

b. **Aku:** Aku

(arrow) Aku

(fishing) Aku

(wealth)

O bu site n'udaolu ha ka a ga-esi mata ihe ha bu.

### Udi udaolu e nwere

E nwere udi udaolu ato n'asusu Igbo. Ha bu:

a. Udaelu.

b. Udaala.

ch. Udansuda. (udaetiti)

### Akara udaolu

Akara udaolu bu akara e ji amata ihe mkpuruokwu putara.

### Oru akara udaolu na-aru

Oru akara udaolu bu igosi ndiiche n'uda di n'okwu ndi ahu putara otu ihe n'asusu Igbo. A naghi etinye akara udaolu na mgbochiume. O bu n'udaume na myiriudaume ka a na-etinye akara udaolu.

Udaume na myiriudaume ndi ahu a na-etinye akara udaolu bu:

a, i, u, o, e, i, o, u, m, n.

E nwere akara udaolu ato. Ha bu:

a. Akaraelu (/) high tone.

b. Akaraala (\) low tone.

ch. Akaransuda (-) mid tone.

Imaatu mkpuruokwu e tinyere akara udaolu.

**Enyi**
Enyi (HL) = Friend
Enyi (LL) = Disease
Enyi (HH) = Elephant.

## Itinye akara udaolu n'okwu ndi nwere otu nkejiokwu

Imaatu:
Ji (yam) = (/)
Di (husband) = (/)
Gi (you) = (/)
Mu (me) = (/)
Ru (work) = (/)

## Okwu ndi nwere nkejiokwu abuo.

Imaatu:
Ewu (HH) (goat)
Imi (HH) (nose)
Ele (HH) (antelope)
Akwa (HH) (cry)
Isi (HH) (head)
Echi (HH) (tomorrow).

### UDAASUSU: MYIRIUDAUME (NDAGBA MYIRIUDAUME)

Ndagba myiriudaume bu iwu na-achikwa otu mgbochiume si esote myiriudaume na mkpuruokwu.

Myiriudaume e nwere n'Igbo di abuo ma mgbochiume na-esote ha abuo di iche iche. Mgbochiume na-esote myiriudaume 'n' di iri na iteghete ebe ndi na-esote myiriudaume 'm' di iteghete.
Mgbochiume ndi na-esote myiriudaume 'n' bu ndi a:
ch, d, g, gh, gw, h, j, k, kw, l, n, n, nw, ny, r, s, sh, t, z.
Lee ha na mkpuruokwu:
ch =ncha
n = nri
gh = nghato
ny = nnyocha
j = njide
t = ntu
l = nlafu
nw =nnwale.
h = nhapu
s = nso
kw = nkwenye
d = nde
n = nnacha
g = ngari

r = nro

gw = ngwere

k =nka
z = nzu

Mgbochiume ndi na-esote myiriudaume 'm' bu ndi
a: B, gb, m, kp, p, f, v, w, y

Lee ha na
mkpuruokwu b = mba.

kp = mkpo f
= mfepu m
= mmanu v
= mvo

y = myo

gb = mgbada
p = mpu
w =mwepu.

## EDEMEDE

Ide edemede gbasara ahuike ndi ntorobia.

**Usoro a ga-agbaso wee dee maka ahuike ndi ntorobia.**

1. Ikowa ndi bu ntorobia.
2. Ideputa mgbanwe di iche iche a na-ahu n'ahu ndi ntorobia (umunwoke na umunwaanyi).
3. Ideputa oria di iche iche nwere ike imetuta ndi ntorobia.
4. Ide uzo di iche iche e nwere ike isi gbochie oria ndi ahu.
5. Ide ihe ha ga-eme wee nweta ahuike.
6. Ide uru ahuike na-abara ndi ntorobia.

***(Guo Agumagu Site N'akwukwo Ndi Ahu A Hoputara).***

## AKARAEDEMEDE

Akaraedemede e nwere n'Igbo bara uba. O buru na edetaghi ha nkeoma ma a na-ede asusu Igbo, ihe e dere agaghi adi mma otu o kwesiri.

**Udi akaraedemede di iche iche**

1. Akarangudo '()' "bracket "

Akaramkpuchi bu akaraedemede na-egosi na okwu abuo yiri onwe ha ma o na ha abuo bu otu.

Imaatu:

a. Nwata ahu puru eze elu (mere aru).

b. Ogbuagu gbara dimkpa (buru ibu).

ch. Adaku bu mmuo mmiri (asa).

d. Obi na-eme aka abuo (ohi).

**2. Akarangwu (" ") 'Quotation ma**rk'

Akarangwu bu akaraedemede na-egosi na okwu e kwuru di otu e siri kwuo ya.
Imaatu:
a. Akwukwo nso si, "Ngozi na-adiri ndi na-ahughi n'anya ma kwere ".
b. Onyenkuzi kwuru, "guonu akwukwo ".
ch. Nna m siri, " kunye m nri ka m rie ".
d. Ukochukwu anyi si, " so ezi omume bu ihe ga-azoputa mmadu".

**3. Akaramkpu (!) "Exclamation mark ".**
Akaramkpu bu akaraedemede e ji ama na okwu ma o bu ahiriokwu bu mkpu.
Imaatu :
a. Chei! anwuola moo.
b. Ewoo! Chike egbuo moo.
ch. Hei! Lee agwo.
d. Chei! efuola moo.
e. Ewoo! ike agwula ya.

**4. Rikomelu (') " apostrophe "**
Rikomelu bu akaraedemede e ji egosi na 'na' na-aru oru ka mbuuzo.
A ga-ewepu udaume 'a ' di na 'na' tinyezie rikomelu mgbe okwu na-esota ya ji udaume bido. Imaatu :
a. Azu di n'elu uko.
b. Anyi no n'ulo.
ch. Nna m bi n'Aba.
d. Nri ahu di n'elu oche.
e. Ego ahu di n'ime akpa.

**UTOASUSU**
**Ekwumekwu - Nzisaozi nke odinaala**
Nzisaozi bu uzo e si agbasa ozi ka o wee rute ndi mmadu.
E nwere uzo nzisaozi abuo:
1. Nzisaozi nke odinaala.
2. Nzisaozi nke ugbua.

**Nzisaozi nke odinaala**: O bu uzo esi ezisa ozi n'usoro odinaala.
**Uzo e si ezisa ozi nke odinaala**
Uzo e nwere ike isi zisaa ozi nke odinaala bu ihe ndi a:
1. Okwu onu.
2. Ife aka.
3. Ikwe n'isi.
4. Iji anya.
5. Iku ogene.
6.Iku mgbirimgba.
7. Igba egbe.

## Uru nzisaozi nke odinaala bara

a. O na-eweta mmekorita mmadu na ibe ya
b. O na-eme ka ozi ruo ndi mmadu aka n'ime obodo.
ch. O na-eme ka mmadu mata mgbe ihe na-eme n'ime obodo.
d. O na-eme ka omenaala na odinaala ndi na-aga nke oma.

## Nzisaozi nke ugbua

Nke a bu nzisaozi nke so agumakwukwo wee bata n'ala Igbo.

## Uzo e si ezisa ozi nke ugbua

A na-ezisa ozi nke ugbua site n'iji ihe ndi a:
a. Ekwenti
b. Redio
ch. Tiivii
d. Nuzpepa
e. Komputa
f. Leta

## Uru izisa ozi bara

1. O na-eweta agamniihu ndi mmadu.
2. O na-eweta mmekorita mmadu na ibe ya.
3. O na-enye aka n'ikuziri umuaka ihe n'ulo akwukwo.
4. Izisa ozi na-eweta idinotu ndi mmadu

## Oghom di n'izisa ozi

a. Izisa ozi nwere ike idufu mmadu mgbe ha aghotaghi ihe e ziri.
b. A dighi ichu n'izisa ozi.
ch. Ide leta na-alazi azu ugbua niihi ekwenti na ihe ndi ozo eweputara maka izi ozi.
d. O na-emezi ka onye na-chota ma o bu eweta ihe o choro n'uzo di mfe.
e.  O na-eme ka umuakwukwo na-ano n'itaneti oge obula.
f. Nzisaozi nke ugbua mere ka mmadu ghara idizi uchu otu ha kwesiri idi.
g. Imilikiti umuaka na-esi na ya emebi.

## Omenaala na Ewumewu: Nrukorita oru onu

Gini bu nrukorita oru? O bu otu uzo mmadu na ibe ya si emekorita site n'irukorita oru onu.
Oru di iche iche ndi mmadu nwere ike irukorita onu gunyere :
a. Oru ugbo
b. Ikpa nku
ch. Ichu mmiri
d. Ikpecha ma o bu ibacha akpu.

## Iwu nrukorita oru

E nwere iwu na-achi nrukorita oru dika:

a. O bu ihe ziri ezi na ike ndi kwekoritara irukorita oru ga-aha.

b. Ha ga-abu ndi a naghi agho aghugho. ch. Ha ga-abu ndi na-ekwu eziokwu. d. Ha ga-enwe nghota n'etiti onwe ha.

e. Ha ga-enwe nkwekorita banyere otu oru ha ga na-aruru onwe ha ga-aha.

## Uru di na nrukorita oru

a. Nrukorita oru na-eme ka oru gaa oso oso.

b. O na-eme ka oru aruputara buo ibu.

ch. O na-eme ka oru ghara igbaji otu onye aka.

d. Nrukorita oru na-enye ndi na-aru ya obi uto.

## Oghom di na nrukorita oru

a. Ike ndi na-arukorita oru nwere Ike o gaghi aha oge niile.

b. Otu onye nwere ike buru onye aghugho.

ch. Ida anya nwere ike ibata n'etiti ha.